# ỤMỤ HIBRU ATỌ AHỤ

**Daniel 3:1-30.**

**IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 420**

**Nke Ndị okenye**

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Ọ dịgh ayi onwe-ayi nkpà izaghachi gi okwu banyere nka. Asi na ọ di uzọ ọ bula Chineke ahu Onye ayi onwe-ayi nēfè puru inaputa ayi, ọ bu n'oké ọku nke nēnwu ajọ onwunwu na n'aka-gi, eze, ka Ọ gānaputa ayi. Ma asi na Ọ pugh inaputa ayi, ka ị mara, eze, na chi-gi nile ka ayi nāgagh-adi nēfè, ọ bu kwa onyinyo ọla-edo ahu nke ị guzobeworo ọtọ ka ayi nagagh-akpọ isi ala nye" (Daniel 3: 16-18).**

**I Ịrara Onyinyo ahụ nye bụ́ nke Eze Jiri Ọlaedo Mee**

1 Eguzobere onyinyo nke ịdị elu ya dị rula 90 obasara ya dị kwa rula 9 n'ebe dị Babilọn nso, Daniel 3:1; 2:31,32; Abù Ọma 115:4-8; Aisaia 2:20; Nkpughe 9:20.

2 Ndịisi dị icheiche n'ala ahụ anaachịachị bịara maka ịrara onyinyo ahụ nye, Daniel 3:2, 3.

3 Enyere mmadụ niile iwu ka ha kpọọ isiala nye iheonyinyo ahụ mgbe ha gaanụ ụda egwú otiti, Daniel 3:4-7.

**II Atụbara Shedrak, Mishak na Abednego n'Óké Ọkụ ahụ Náenwu Ajọ Onwunwu**

1 Eboro ụmụ Hibru atọ ahụ ebubo na ha naelelị iwu niile na chi niile nke eze ahụ, Daniel 3:8-12.

2 Ha jụrụ irubeisi n'iwu nke eze ahụ nke enyeghachiri ọzọ, Daniel 3:13-18; Matiu 10:18, 19 ,28; Job 13:15.

3 Eze n'oké iwe mara ha ikpé ka atụba ha n'óké ọkụ ahụ naenwu ajọ onwunwu, Daniel 3:19, 20; Abù Ọma 76:10; 50:15.

4 Atụbara ụmụ Hibru atọ ahụ n'óké ọkụ ahụ naenwu ajọ onwunwu, ọkụ wee regbue ndị ahụ tụbara ha n'ọkụ, Daniel 13:21-23; Abù Ọma 23:3, 4; 2 Timọti 4:17, 18.

**III Nnapụta dị Ebube na Mgbagwojuanya nke Eze**

1 "Ọ̀ bugh ndikom atọ ekere agbu ka ayi tubàra n'etiti ọku ahu?" Daniel 3:24.

2 "Le, mu onwem nāhu ndikom anọ … onye ahu nke mere ha anọ yiri nwa nke ndi bu chi n'ile ya anya" Daniel 3:25.

3 Ha pụtara n'iru mmadụ niile n'enweghị ísìsì ọkụ n'arụ ha, Daniel 3:26, 27; Ndi Hibru 11:34; Aisaia 43:2; Abù Ọma 34:7.

4 Nebukadneza nyere Chineke nke Israel nsọpụrụ, Daniel 3:28, 29.

5 Ebuliri ndị orù nke Chineke ahụ kwesịrị ntụkwasịobi elu, Daniel 3:30.

## NKỌWA DỊ ICHEICHE

**Onyinyo Ọlaedo**

O nwere ike ịbụ na ihe kpaliri Nebukadneza iwu onyinyo ahụ dị ukwu bụ n'ihi nrọ ahụ nke o rọrọ arọ olenaole garaaga mgbe ọ hụrụ onyinyo nke mmadụ nke eguzobere n'ebe dị elu. Ihe a nke akpụrụ akpụ nke dị ukwu ma dị kwa óké ọnụahịa nke ịdị elu ya dị rula 90, ka agaeguzobe iji nye aha ya nsọpụrụ. Daniel ekwuwo mgbe ọ naakọwa nrọ ahụ sị "Gi onwe-gi bu isi ọla-edo ahu." Daniel chetakwaara ya na ọ bụ Chineke nke Eluigwe nyere ya alaeze a dị ike. Eze a nke nwere obi afụliworo elu échèghị échìchè banyere okwu ndịa, maọbụghị otú ahụ, ọ gaatụworị egwù ibuli onweya elu. Ya mere Nebukadneza site n'ụzọ dị otú a naenye onweya otuto n'ike ahụ nke enyere ya, dị ka ọ bụrị ụdị

nke onye ahụ náemegide Kraist, onye gaje kwa iguzobere onweya nsọpụrụ (Nkpughe 13:14). Otù nime ndị ahụ ji aka ike náachị n'obodo Europe n'oge náadịghịanya guzobeère onweya onyinyo na Rom, nke ịdị elu ya dị narị rula abụọ na iri ise (250).

**Ihe Anaagaghị Eme**

Anyị naagụ n'Ọpupu 20:23, "Unu emela chi ọzọ tinyerem, chi-ọla-ọcha ma-ọbu chi ọla-edo, unu emerela onwe-unu ha." Jeroboam, nwa Nebat, mere ka ndị Israel mehie site n'iguzobe ụmụ ehi abụọ eji ọlaedo mee, otù na Betel nkeọzọ na Dan (Lee I Ndi Eze 12:29).

**Ndị isi Zukọtara**

Mbịakọta nke ndịisi, ndị gọvanọ, ndịisi nke ndịagha, ndịikpé, ndị odoziàkụ̀, ndị odoziokwu kwenyere ịbịa sọpụrụ eze. Anyị naahụkarị urù nke onweonye na ndọrọ ndọrọ nke ọchịchị obodo karịa ụkpụ̀rụ nke na eguzosiike n'ụbọchị anyị taa. Arọpụtara Shedrak, Mishak na Abednego ịbụ ndịisi nke ala ahụ anaachịachị nke Babilọn (Daniel 2:49). Ha nọ n'òtù ìgwè mmadụ ahụ ndị rịdara n'ala nke ihe náadịghị nke Dura. Ha nụrụ ịmaọkwa ahụ dị icheiche dịka ndịọzọ nke nọ n'ebe ahụ nụrụ ya. Mgbe amalitere itiegwú nke ndị Kaldea ahụ, Chineke buliri ọkọlọtọ nime obi ha dịka O kwuworoị site n'ọnụ Aisaia isi nke 59, amaokwu nke 19 n'ihe karịrị otù narị arọ garaaga (100 years). "Mgbe onye-nkpagbu gābata dika miri-iyi, Mọ nke JEHOVA ganēbuli ọ̀kọ̀lọ̀tọ̀ imegide ya." Ọtụtụ mmadụ ka anaadọrọ isonyere igwe mmadụ ndị jupụtara n'obiụtọ na ịhụ iheụtọ n'anya site n'egwú ọbịara ọhụụ nke oge ndịa. Igwè mmadụ ndị na awịara n'omume ha naadọrọ ọtụtụ mkpụrụobi ndị náadịghị ike n'ikwenye n'ihe ahụ nke ọtụtụ mmadụ naeche na ha dị mma; ma Chineke nwere ọlụ dị omimi nke Ọ gaalụ n'obi nke karịrị ikwere náání n'okpokoroisi. "Ọmụmụ ọhụ" naeweta okwukwe nime obi nke naekwere na "Ọ buru na Chineke diri ayi, onye nēmegide ayi?" (Ndi Rom 8:31).

Náagbanyeghị ihe ha cheworo n'obi dịka ọlụ dịrị ha, maọbụ ịtụ egwù ike nke eze ahụ nwere dịka onye nwere ike ime ihe ọ bụla ọ chọrọ, ụmụ Hibru atọ ahụ n'ụzọ igosị ịdịelu nke ntozuòkè na obiike ha jụrụ imebi ebumn'obi ha nke bụ́ iguzoro n'eziokwu nye Chineke ha. N'ikpeazụ Jisọs kọwara n'ụzọ doroanya ihe bụ nguzo anyị n'okwu ndịa mgbe Ọ sịrị, "Ya mere nyeghachinu Sisa ihe nke Sisa, nyeghachi-kwa-nu Chineke ihe nke Chineke" (Matiu 22:21). Ihe niile banyere ọchịchị obodo bụ nke eze, ma ihe niile banyere òfùfè bụ nke Chineke.

**Ọ dịghị Chi Ọzọ Dị**

Iwu ahụ nke eze nyere megidere iwu mbụ nke dị nime Iwu iri ahụ. Ọ dịghị mbaọzọ nke pụrụ iche na iwu a eze nyere ezighịezi ma ọ bụghị náání ndị Ju, n'ihi na o gbochighị ndị náamaghị Chineke ifè chi ha niile. O doro anya na ọ bụ imegide ndị Ju ka ebu n'obi site n'aka ndị ahụ náekwoekworo n'ihi ọnọdụ dị elu nke ha nwere n'obíeze. N'ihi nke a ha rụgidere eze inye iwu banyere ndị niile náadịghị ekwenye ime ihe ndịọzọ naeme, wee náewepụta na ụdị ekweghị inye nsọpụrụ dị otú a bụ omume na emegide Nebukadneza, onye bụ "isi" n'ọchịchị na òfùfè nke mba niile ọ naachị. Ebubo ha nke bụ́ "chi-gi nile ka ha nādịghị efè, ọ bụ kwa onyinyo ọla-edo nke ị guzobeworo ọtọ ka ha nādighi-akpọ isi-ala nye" mere ka iwe eze dị ọkụ karịa.

**Ịgbáàmà nye Ezi Chineke**

Nzaghachị nke ụmụ okorọbịa atọ ahụ zaghachiri n'ajụjụ nke eze jụrụ bụ ihenlereanya dị elu nke ntụkwasịobi enwere n'ebe Chineke nọ nke egwù náadịghị nime ya. Ha chọrọ ime ka eze mata na ha achọghị iji mmehie gwueegwu maọbụ ịrịọarịrịọ n'ihe banyere ihe ahụ nke dubara obodo ha ịnọ ná ndọta n'agha nke bụ́ ikpere arụsị. Chineke kwenyere ka akpọrute ha n'iru eze ka ewee nụ ịgbáàmà ha na kwa ka àmà ha banyere ezi Chineke bụrụ ihe agaanụ n'ụwa niile.

**Nnupụisi nke Eze**

Mgbe Nebukadneza jụrụ ajụjụ ahụ, "Ònye bu kwa chi (maọbụ Onye bu Chineke ahụ) nke gānaputa unu n'akam?" Ọ bara ná ntị Chineke dịka nkwutọ nke Senakerib si baa ná ntị Ya mgbe Aisaia gwara ndịozi sitere na Asiria na Chineke gaanapụta ndị Israel n'aka ndị Asiria. Senakerib nyara isi sị: "Òle ndi n'etiti chi nile nke ala dum ka ha bụ bú ndi naputara ala ha n'akam, na JEHOVA gānaputa Jerusalem

n’akam?” (2 Ndi Eze18:35). Fero nyakwara otù ụdị isi a: “Onye bu JEHOVA na m’gēge nti n’olu Ya izipu Israel?” (Ọpupu 5:2). Chineke agwawo anyi onye Ya Onweya bụ: Ọ sịrị: “Mụ onwem bu JEHOVA nke ahu bu aham: M’gagh-enye kwa onye ọzọ nsọpurum, m’gagh-enye kwa arusi di iche iche apiri api otutom” (Aisaia 42:8). O kwuwo kwa sị: “Chineke bu onye-ikpe: Ọ nēme otù onye ka ọ di ala, Ọ na-ebuli kwa onye ọzọ elu” (Abù Ọma 75:7); na Ọ digh onye ọ bula nāchi isi ma ọ buru na Chineke edogh ya; ndi nāchi isi bu kwa ndi Chineke doworo” (Ndi Rom 13:1). Ya mere, ònye ka mmadụ bụ na ọ gaanyara Chineke Nke pụrụ Ime ihe niile isi?

**Ọnụma Náenweghị Obiebere**

Eze wereiwe n’ebe ọ dị ukwu mgbe ndị Hibru ahụ mere ka ọ mata n’iru ya náatụghị ụjọ ọ bụla na Chineke nke Israel bụ Chineke nke pụrụ Ime ihe niile. Emere ka óké ọkụ ahụ dị ọkụ òkpùkpù asaa karịa otú anaemerị ka ọ dị na mbụ. N’uwe niile ha yi n’arụ, ékèrè ha agbụ wee tụba ha n’ókè ọkụ ahụ. Ndị dịkarịsịrị ike n’ụsụ ndịagha ahụ, ndị anaatụ egwù karịa, ka iré ọkụ ahụ gburu. Ndị ahụ adọtara n’agha wee daba n’agbụ nime etiti nke óké ọkụ ahụ néenwu ajọ onwunwu. Ụmụokorọbịa ndịa pụrụ ịjụ ajụjụ banyere amamihe nke dị ná nguzo a nke agaakwụ ụdị ụgwọ dị otú a n’ihi ikwesị ntụkwasịobi mgbe náánị ihe achọrọ n’aka ha bụ iruruala gbue ikpere nye onyinyo ahụ; ma ọ dịghị ịrapụ uche onweonye wee kwenye dịka ndịọzọ kwere dị nime ha. Ha apụghị ime ihe ọ bụla dịka agaasị na ha naedebe iwu ahụ. Okwu Chineke naagwa anyị “Unu etinyela aka n’aha ajọ ihe ọ bula” (I Ndi Tesalọnaika 5:22).

Mgbe anaanwa okwukwe anyị ọnwụnwa siriike, ọ gaadị mma ma anyị cheta Pọl Onyeozi: “Ma ayi matara na ihe nile nālukọ ọlu iwetara ndi huru Chineke n’anya ezi ihe, bu ndi akpọrọ dika ihe Ọ nēzube si di” (Ndi Rom 8:28). Ntamù maọbụ mkpesa banyere ọnọdụ anyị naalụpụta náánị ihe onyeiro naezube. Ekwuwo ya na ihe ọ bụla nke dapụtaara anyị adịghị mkpà nke ukwu dịka ihe anyị ji ya mee. Enwere ike iji ya mee ihe eji arịgo n’ebe dị elu karịa n’ihe nke Chineke maọbụ o nwere ike bụrụ ihe ịsụngọngọ nke nwere ike ime ka anyị daa ma ọ bụrụ na anyị ewepụ anya site n’ebe Onyeisi Agha Nke nzọpụta anyị nọ.

**Mpụta Nke Chineke Ibu Agha ahụ**

Mgbe eze lebara anya nime ọkụ ahụ náenwu ajọ onwunwu, kama ịhụ ọgwụgwụ nke ndị ahụ náekwenyeghị n’ihe ndịọzọ kwenyere ọ hụrụ ọ bụghị náánị mmadụ atọ kama mmadụ anọ; onye ahụ nke mere ha anọ yiri Ọkpara Chineke n’ile ya anya. Ọzọ kwa ebere nke Chineke naekpughe ike nke ezi Chineke ahụ nye eze a nke náebuli onweya elu. Ndị ahụ adọtara n’agha nke nọ kwa nime ọkụ ahụ nke náenwu ajọ onwunwu chọpụtara na ọkụ ahụ tọpụrụ ha náánị n’agbụ ha wee bilie naaga ijè. Anyị onweanyị naenwe kwa ọnwụnwa ọkụ nke akọwaara anyị ihe ọ naalụpụta na I Pita 1:7: “Ka nnwapụta nke okwukwe unu, ebe ọ dikariri ọla-edo oké ọnụ-ahịa nke uku, bú ola-edo nke na-ala n’iyi, ọ bu ezie na anēji ọkụ nwapụta ya, ka ewe hu nnwaputa ahu na ọ nēweta otuto na ebube na nsọpuru nime nkpughe nke Jisus Kraist.” Mgbe anyị naewere ihe niile nyefee Chineke n’aka n’oge ọnwụnwa anyị, anyị naahụ́ na anaanapụta anyị site ná mkpà niile na nchegbu niile nke ndụ a, ma náewetakwara anyị inwere onweanyị n’ebe ọ dị ukwu karị nime Kraist (Luk 21:34-36).

**Ichere Oge Chineke**

Ha anwaghị ịgbapụ, kama ha cheerè ka eze nye iwu ka ha bịa, dịka Noa si chere n’ụgbọ ahụ mgbe ijummiri ahụ gasịrị, tutu rue mgbe Chineke kpọpụtara ya (Jenesis 8:12-18). Mmata nke eze ahụ matara na ha bụ ndị orù Nke Chineke Onye Kachasị ihe Niile Elu mere ka chi niile bụrụ ihe dị ala n’ebe nke ha dị. O kwubiri okwu site n’ikwu sị, “Ọ dịghị chi ọzọ puru inaputa otú a.” N’ezie Chineke gosiri ike Ya n’ịnapụta onye eziomume nke mere na ọ dịghị ọbụná isìsì ọkụ nke dị n’uwe ha, ọkụ añachaghị kwa otù agiriisi nke isi ha, uwe ukwu ha enweghị kwa mgbanwe dị na ya. Tụlee nke a na mbibi nke ebibiri ndi dịkarịsịrị ike n’ụsụ ndịagha nke eze. Chineke nke Eluigwe gbanwere iwu nke eze ahụ. Ekwuwo ya na “madụ na-atụpụta ihe ọ ga-eme ma ọ bụ Chineke naekpebi ihe niile ga-eme.” Ikwesịntụkwasịobi nye Chineke wetara mbulielu site n’aka eze ha nke ụwa na iru ọchị nke mkwenye site n’aka Eze nke eluigwe.

## AJỤJỤ DỊ ICHEICHE

1 Òlee otú nrọ Nebukadneza rọrọ si metụta ya?

2 Kọwaa ịga n’iru ya n’ọmụma nke ezi Chineke ahụ?

3 Òlee iwu nke ndị Hibru ahụ bu n’uche nke mere ka ha jụ ịkpọisiala nye onyinyo ahụ?

4 Òlee mkwà nke dị n’Akwụkwọ Aisaia nke dịịrị ihe a nke mere n’ebe a?

5 Ònye bịakwutere ụmụ Hibru ndịa nime ọkụ ahụ naenwu ajọ onwunwu?

6 Kọwaa ihe ọkụ ahụ mere?

7 Ọ̀ baara ndị Hibru ndịa úrù ikwesị ntụkwasịobi nye Chineke? N’ihi gịnị?

8 Gịnị mere Chineke anapụtaghị ha ịbanye nime ọkụ ahụ nke naenwu ajọ onwunwu?

9 Gịnị bụ mmetụta nke ọlụ ebube a nwere nime ụwa nke oge ahụ?